# N'ỤZỌ IJÉ EMEUS

## Luk 24:1-48

### IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 65 - Nke Ndị okenye

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Mu onwem bu nbilite-n'ọnwu na ndu: onye nēkwere na Mu, ọbuná ma asi na ọ nwuru anwu, ọ gādi ndu ọzọ" (Jọn 11:25).**

**I Ndị nyom ahụ Bị aruru N'ílì ahụ N'isiụtụtụ**

1. Ha jikeere bịa ité arụ Onyenweanyị mmanụ, Luk 24:1; Mak 16:1,2
2. Akpọrepụwo nkume ahụ -- ílì ahụ tọgbọrọ n'efu, Luk 24:2-7; Matiu 28:2-6; Mak 16:4-6; Jọn 20:1-8
3. Ezigaara ndị náesoụzọ Jisọs ozi nke mmụọozi ahụ dịka ndụmọdụ niile nke mmụọozi ahụ nyere si dị, Luk 24:8-10; Matiu 28:7, 8
4. Eji ekweghịekwe zute okwu niile nke ndịnyom ahụ, Luk 24: 11, 12; Mak 16: 9-11

**II Ndị Náesoụzọ Jisọs Abụọ N'ụzọ ijé Emeus**

1. Ka ha naakparitaụkà n'etiti onweha banyere mkpọgide n'obe ahụ Jisọs bịaruru nso wee so kwa ha gaa, Luk 24: 13-15
2. Ndị ahụ náesoụzọ Jisọs amataghị Onyenweanyị, wee kọọrọ Ya banyere mkpọgide n'obe ahụ na akụkọ nke ndịnyom ahụ si n'ílì ahụ, Luk 24:16-24
3. Kraist mere ka ha mata ihe niile edere n'Akwụkwọnsọ mgbe ha yịkọrọ náaga ijè, Luk 24:25-27
4. Ebe abalị naabịaru nso, ha rugidere Ya ka Ọ nọnyere ha, Luk 24:28, 29

**III Mkpughe Ekpughere Kraist N'ị nyawa Achị cha ahụ**

5. Emeghere anya ndị ahụ náesoụzọ Jisọs emekwara ka ha mara Ya tutu O funarị ha, Luk 24:30, 31
6. Ha laghachịrị na Jerusalem n'otù oge ahụ wee kọọrọ ndị náesoụzọ Jisọs ihe mere, Luk 24:32-35; Mak 16:12, 13
7. Kraist weere Onweya gosi n'etiti nzukọ nke ndị náesoụzọ Ya, wee gosi ha aka Ya na ụkwụ Ya, meghee nghọta ha, wee kpughere ha ihe kpatara ahụhụ na mbiliten'ọnwụ Ya, Luk 24:36-48; Zekaraia 13:1; I Timọti 1:15; I Pita 1:18, 19; Ndi Hibru 9:22.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

**Ndị nyom ahụ Bị aruru N'ílì ahụ N'isiụtụtụ**

N'óké isiụtụtụ n'ụbọchị mbụ nke ízù ụbọchị asaa, ndịnyom ahụ ndị soro Jisọs site na Galili (Luk 23:55) laghachịrị n'ílì ahụ ebe eliri Ya. Ụbọchị ahụ bụ nke anyị naakpọ ụbọchịụkọ, bụrụ kwa ụbọchị nke náesote Ụbọchịizùike nke ndị Ju. Ha echereworị site n'oge ahụ eliri Kraist na Friday rue n'oge hour nke isiụtụtụ a n'ihi na enyere ya n'iwu n'akwụkwọ Iwu na ha aghaghị izuike n'ụbọchị Izùike (Luk 23:56). N'eziokwu, ka ha naaga, ọ naewute ha n'obi ha, n'ihi na ha lereanya ịhụ n'ílì Josef arụ nke Onyenwe ha, nke ha chekwubere ité mmanụ. N'ihi nke a ha bu ụdà ụtọ na mmanụotite dị icheiche bụ nke anaeji edozi ozù maka òlìlì. Josef nke Arimatia na Nikọdimọs edoziworị arụ nke Onyenweanyị maka òlìlì mgbe atọgbọrọ ya nime ílì ahụ (Jọn 19:39 40); ma otú ọ dị, nke a gaabụworị ihe edoziworo n'ụzọ ime ngwangwa na n'ụzọ náezughị òkè n'ihi ụbọchị Izuike nke náabịa nso.

Ndịnyom ahụ gaejupụtaworị n'óké ijuanya mgbe ha chọpụtara na akpọrepụwo nkume ahụ site n'ọnụ ílì ahụ wee hụ na arụ Jisọs adịghị kwa n'ebe ahụ. Ma ka ha nọ n'obi abụọ na n'óké mgbagwojuanya, ndịkom abụọ yi uwe náegbu maramara guzoro ha nso wee zie ha ozi ahụ dị ebube nke ekwughachiworo ọtụtụ ugbò n'ụwa ebe ndị Kraist bi kemgbe narị arọ iri na iteghete garaaga: "Gini mere unu nāchọ Onye-di ndu n'etiti ndi nwuru anwu? Ọ nọgh n'ebe a, kama emere ka O si n'ọnwu bilie" (Luk 24:5, 6). Ọ bụ ihe siriike mmadu ichèèchìchè mmetụta ahụ ihe a niile nweworo n'ebe ndịa hụrụ Jisọs n'anya nke ukwu nọ.

**Mmadụ Abụọ Náesoụzọ Jisọs N'ụzọ Ijé Emeus**

Isi Jerusalem rue Emeus bụ ihe ra ka maịlị asaa na ọkàrà, eleghị kwa anya o weere mmadụ ndị ahụ náesoụzọ Jisọs, nke otù onye nime ha bụ Klopas, ihe dị ka hour abụọ iji wee rue. Ka ha naaga ha naakparịtaụkà banyere ihe niile ahụ mererị, eleghịanya banyere Nrianyasị Ikpèazù ahụ na ikpè náezighịezi na ajọ ọnwụ nke Jisọs. Ha gaekwuworị okwu banyere okwu Jisọs gwara ha banyere ọnwụ na mbiliten'ọnwụ Ya nke náabịa nso. Kraist sonyere ha n'ụzọ ahụ, náemeghị ka ha mara Ya wee malite mkparịtaụkà n'etiti ha.

Ajụjụ nke Jisọs, "Gini bu okwu ndia unu nāgwarita onwe-unu, ka unu nāga ijè? Ha we guzo nāgbaru iru" (Luk 24:17) bụ n'eziokwu nke ajụrụ ka ha wee meghee obi ha niile wee gwa Jisọs ihe niile nke náenye ha nsogbu. O mere Onweya onyeọbịa nye ha n'oge ahụ ma gosi ngwangwa inwe mmasị n'ọnọdụ iruuju ha. Ọ gaabụworị ihe gaakpali obi ha ịmara onye ọ bụ nke náajụ ha ajụjụ, "Ma egbochiri ha anya ka ha ghara ima Ya,"ha amaghị kwa na onyeọbịa nke a bụ Onyenwe ha na Onyeòzízí ha emeworo ka O si n'ọnwụ bilie.

Devid gaenweworị ụdị mnwapụta dị otú ahụ mgbe o dere sị "N'ihi na Gi onwe-gi bu oriọnam, JEHOVA: JEHOVA nēme kwa ka ọchichirim nwue enwu" (2 Samuel 22:29). Chineke adịghị arapụ ndị hụrụ Ya n'anya. Mmadụ abụọ ndịa wụsara obi ha nke ná eruuju, Jisọs wee were obi ọmiko na ezi nghọta gee ha ntị. Ọ dị ùgwù ha

kwanyeere Ọkpara Chineke mbe ha sịrị na Jisọs Onye Nazaret nka “bu onye amuma di ike n’ọlu na okwu n’iru Chinkeke na ndi-Ju nile.” Ma apụrụ ikwu na ha amataghị maọbụ ghọta n’ozuzuòkè na Ọ karịrị onye amụma, na Jisọs bụ Ọkpara Chineke -- Okwu Chineke ghọrọ Mmadụ.

Okwukwe nke ndịkom ahụ pụrụ ịbụ ihe emeworo ka ọ ghara iguzosiike n’oge ihe egwù ahụ niile mere n’ụbọchị olenaole garaaga, n’ihi na Kleopas tụkwasịrị okwu ndịa, “ma ayi onwe-ayi lere anya na Ya onwe-ya bu onye gaje igbaputa Israel” (Luk 24:21). Okwu ha dị ka ọ naegosi na eleghịanya ha ewepụwo échìchè ahụ na Jisọs bụ Onyemgbapụta nke Israel. Ma Onyenweanyị gwara ha okwu ịgbaume ọhụụ banyere Ya Onweya, emekwara ka obi ha kpoo ọkụ site n’okwu amara Ya niile; n’ihi na mgbe emeghere anya ha, ha sịrị, “Òbi-ayi ekpogh ọku nime ayi, mgbe Ọ nāgwa ayi okwu n’uzọ, mgbe Ọ nēmeghere ayi ihe edeworo n’akwukwọ nsọ?”

Okwu ahụ nke bụ **ndị náenweghị uche** edere na Luk 24:25 kwesịrị ka aghọta ya dịka Onyeòzízí ahụ kwuru sị **ndị échìchè ha dị ntà** maọbụ **ndị nwere échìchè nke ụmụntakịrị**, ọ bụghị kwa dịka n’ụzọ ahụ nke siriike nke anaeji ya náekwuokwu ugbu a n’asụsụ Igbo. Jisọs maara mkpà ọ dị O wee gwa ha okwu banyere amụma niile eburu banyere Ya nke dị n’Agbà Ochie, n’ihi na nke ahụ bụ Baịbụl niile ha nwere na mgbe ahụ. Isiokwu ahụ nke dị ukwuu n’Agbà Ochie bụ ọbịbịa nke Onyenzọpụta ahụ na àtụ̀màátụ̀ ya si dị ebube nke nzọpụta, ha gaaghọtaworị ihe niile ahụ mewororị karịa ka ha ghọtaworo.

## Ekpughere Kraist N’Ịnyawa Achịcha

Mgbe Jisọs na mmadụ abụọ ndị náesoụzọ Ya ahụ nọdụsịrị ná nri, O “were ogbe achicha, gọzie ya, nyawa ya we nēnye ha.” Nke a bụ ọlụ onyeòzízí ahụ na nna nke nwere èzínaụlọ, ọ bụ kwa ụzọ ahụ nke Jisọs na ndị náesoụzọ Ya rikọworo ihe na mbụ, ọbụná ná Nrianyasị nke Onyenweanyị mmadụ abụọ ndịa náesoụzọ Jisọs nwererị ike ịma banyere abalị ahụ garaaga tupu arara Jisọs nye na ngọzi niile ha natara n’ebe ahụ, n’ihi na anya ha meghere ngwangwa n’Emeus ewee mara Onyeọbịa ahụ dị ngọzi. Mgbe ahụ O funarị n’anya ha

Ngwangwa n’otù oge anyasị ahụ (amaokwu 29) ha laghachịrị àzụ̀ na Jerusalem ịkọrọ ndị náesoụzọ Ya niile ndị zukọrọ n’ebe ahụ akụkọ ọñụ nke ngosi Jisọs gosịrị ha Onweya. Mgbe ha nọ naakọrọ òtù ahụ nke maliteworo izukọ n’ụbọchị mbụ nke izùụbọchị asaa ahụ akụkọ ahụ, Onyenweanyị guzoro n’etiti ha, si n’ụzọ dị otú a na ákàakàrà nke nnabata Ya n’ụbọchị òfùfè ọhụụ ahụ nke ha guzobere. Inwe nzukọ n’ụbọchị mbụ guzoro ịbụ ihencheta nke mbiliten’ọnwụ Kraist.

Iwu nke Agbà Ochie, bụ́ Ọgbụgbandụ Ochie ahụ, ka emezuru nime Kraist site kwa n’aka Kraist. Ákwàmgbochi nke Ụlọnsọ Chineke agbawawo mgbe Ọ nwụrụ, náegosi na anyị niile pụrụ ịbà n’Ebe Nsọ Kachasị Ebe Nsọ Niile nke imemmụọ ụgbu a wee nata ngọzi niile nke ndịnsọ nke Agbà ochie ahụ náapụghị inweta. Ewezugaghị akụkụ Iwu ahụ nke náakụzi ime omumeọma, n’ihi na ha adịwori mgbe dị anya tupu enye Iwu Iri ahụ n’ugwu Sainai, bụ nke eweliri elu karịa site n’òzízí niile nke Onye ahụ bịara, ọ bụghị imebi Iwu kama imezu ya. Òfùfè nke ememe ahụ ka eji òfùfè nke imemmụọ dochie. Ọ dịkwaghị mkpà ọzọ na onyemmehie nke náechègharị ga aga n’otù akụkụ obodo maọbụ n’ụlọ nke ewupụrụ iche nke eji aka mmadụ wue, ka ya na Chineke nwee mmekọ (Jọn 4:21-24); n’ihi na onye náakpọisiala n’ezie bụ onye náakpọ isiala nye Nna nime mmụọ na eziokwu.

Ụbọchịizuike ochie ahụ nke ụfọdụ ndị náezi òzízí ụgha naekwu na eguzobere ya dịka ihencheta nke òkìkè ụwa, bụ̀ ihe ndị Kraist náadịghị edebe kwaọzọ. Ndịozi na ndị náesoụzọ Jisọs naaga n’iru ịbà n’ụlọ nzukọ n’ụbọchịizuike nke ndị Ju ka ha wee were ohere ahụ zute ndị Ju ndị zukọrọ n’ebe ahụ ịkọrọ ha banyere Jisọs na ike O nwere ịzọpụta (Ọlu Ndi-ozi 14:1). Ma ụbọchị mbụ nke izù ụbọchị asaa ghọrọ ụbọchị nke ifè òfùfè ha, ha wee náedebe kwa ya, dịka anyị naeme n’ụbọchị taa, dịka ihe ncheta nke Òkìkè Ọhụụ ahụ n’okpuru oge nke amara -- mmezu nke akụ̀kụ̀ ahụ nke àtụ̀màátụ̀ mgbapụta anyị mgbe Jisọs si n’ọnwụ bilie wee gosi ike Ya n’ebe ọnwụ na Ekwensu dị.

Omume mbụ pụtara ìhè nke ndị náesoụzọ Jisọs mere n’ọbịbịa mberede na nke anaeleghịanya ya nke Jisọs bịara bụ ịtụ ụjọ na ijuanya. Ma Jisọs kasịrị ha obi wee wepụ obiabụọ na egwù niile nke ha nwere mgbe Ọ naegosi ha ihe niile edere n’Akwụkwọnsọ banyere ya Onweya, náakọwara ha na ihe a niile ka emere n’ihi “na agēkwusa kwa nchèghari na ngbaghara nmehie n’aha-Ya gwa mba nile” (Luk 24:47)

### AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Gịnị bụ ihe kpatara ndịnyom ahụ ji gaa n’ílì ahụ n’isiụtụtụ?
2. Gịnị bụ ozi nke mmụọozi ahụ nye ndị ahụ náachọ arụ nke Jisọs?
3. Kpọọ aha ndịnyom atọ ndị wegaara ndị náesoụzọ Jisọs ozi ahụ.
4. Òlee otú esi nara ozi ahụ?
5. Gịnị bụ́ isiokwu nke mkparịtaụkà nke mmadụ abụọ ahụ náesoụzọ Jisọs n’ụzọ ijé Emeus?
6. Hà matara na Ọ bụ Jisọs?
7. Gịnị ka Jisọs mere ịkọwara ha ihe ndịa niile?
8. Òlee mgbe emere ka ha mara Onyenweanyị, mmadụ abụọ ahụ náesoụzọ Jisọs mere ngwangwa?
9. Àhụtara obiabụọ na ịtụ ụjọ ọzọ nime ha ná mpụtaihè ọzọ nke Jisọs?

10. Gịnị bụ ozi nke Kraist banyere ihe ahụ niile Moses dere banyere Ya, na nke ndịamụma dere, na nke edere n’Abù Ọma?